lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Chineke wee nwalee ihụnanya nke Abraham



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Byron Unger; Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
M. Maillot; Tammy S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Otu abalị, Chineke nyere Abraham iwu dị iche. Ọ bụ nnwale nke ịchọpụta ma Abraham ọ hụrụ Aịsak nwa ya n’anya karịa ka ọ hụrụ Chineke n’anya.

“Were nwa gị Aịsak, chụọ ya ka ọ bụrụ àjà nsure ọkụ,” ka Chineke nyere ya n’iwu.  Nye Aịsak? Were nwa ya nwoke chụọ ajà?  Nke ahụ siiri Abraham nnukwu ike.  Ọ hụrụ nwa ya nwoke n'anya nke ukwuu.



Ma Abraham mụtara ịtụkwasị Chineke obi ọbụna mgbe ọ na-aghọtaghị. N'ụtụtụ, ọ kpọrọ Aịsak na ndị ohu ya abụọ gawa ugwu ịchụàjà.



Tupu ya apụọ, Abraham wara ọtụtụ iberibe osisi maka ikpọ-ọkụ nke àjà nsure-ọkụ. Abraham zubere irubere Chineke isi.



Mgbe ụbọchị atọ gachara,
ha rutere nso n’ugwu ahụ.
Abraham wee si ndi-orù-ya, Nọdụnu
n'ebe a.  Ka anyị gaa kpọọ isi ala,
ma laghachikutekwa unu.
Aisak bute osisi;



Abraham wee
buru ọkụ na mma.



"Ole ebe nwa-atụrụ maka àjà-nsure-ọkụ dị?”  ka Aịsak jụrụ.  Abraham zara ya, si, Chineke ga-edobere Onwe-ya nwa-atụrụ.



Ha abụọ bịarutere kpọmkwem ebe Chineke họọrọ. N’ebe ahụ, Abraham wuru ebe ịchụàjà ma hazie osisi e ji achụ àjà n’ihu Chineke. Abraham ewuolarị ọtụtụ ebe ịchụàjà. N'ezie, nke a bụ nke kacha sie ike iwu.

Abraham kee Aịsak agbụ wee tinye nwa ya nwoke ọ hụrụ n’anya n’elu ebe ịchụàjà.  Abraham ọ̀ ga-erubere Chineke isi ma jiri Aịsak ọ hụrụ n’anya chụọ àjà?





Ee! Akara mma
na-egbuke egbuke
ka Abraham weliri elu.
O nwere ike ịbụ na obi
na-agbawa ya, ma
Abraham ma na ya
aghaghị irubere
Chineke isi.



"Kwụsị!” ka mọ-ozi nke Jehova tiri mkpu. Ugbụa, amawom na ị na-atụ egwu Chineke: i bọchighịkwa nwa-gị nwoke, bụ nwa-nwoke i nwere náanị ya, n’ebe m nọ.



Ebe Abraham huru ebule n'ime ọhịa, o wee tọpụ Aisak, chụọ ebulu ahụ n'ọnọdụ ya.  Ikekwe, Aịsak chere, sị, "Chineke nyere, dị ka nna m kwuru."

Mgbe nna na nwa nọ na-efe ofufe, mmụọ ozi Jehova gwara Abraham okwu. "N'ime ụmụ gị, mba niile ka a ga-agọzi n'ihi na i rubere isi.” Otu ụbọchị, a ga-amụ Jizọs site n’ụmụ Abraham.



Abraham na Aịsak laghachiri n’ụlọ.  Mgbe ụfọdụ oge gasịrị, ihe mwute bịara mee.  Sera wee nwụọ. Nwunye Abraham nwụnahụrụ ya, nne Aịsak nwụnahụkwara ya.



Mgbe olili ozu gasịrị, Abraham zipụrụ onye isi na-ejere ya ozi ka ọ chọọrọ Aịsak nwunye. Orù ahụ gara n’ala nna ha ka ọ chọta nwunye n’etiti ndị ikwu Abraham.



Nwa odibo ahụ rịọrọ Chineke maka ihe iriba-ama.  Ka nwa-abọ̣ghọ nāchu camelm miri, ka ọ buru Aisak.  Ozugbo ahụ, Ribeka kwere nkwa inye ha mmiri.  Ọ bụ otu n'ime ndị ikwu Ebreham.  Orù ahụ maara na Chineke azawo ekpere ya.



Rebeka we rapu umu-nna-ya, lutara Aisak. Ọ kasiri ya obi mgbe nne ya nwụchara. Lee ka Aịzik si hụ ya n'anya!



Chineke wee nwalee ihụnanya nke Abraham

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Jenesis Isi nke iri abụọ na abụọ rue
nke iri abụọ na anọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

# Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.